Mmemme Ịgwa Nshị N'obodo Eke

Nke
Magnjs Aniago
Institute Of African Studies
University Of Nigeria, Nsukka magnus.aniagounn.edu.ng
+2347064977068

Fabian Uchenna Ude
Department Of Arts Education
University Of Nigeria, Nsukka Uchenna.ude@unn.edu.ng +2348064231602

Josephine Chidera Ugwuamoke
Department Of Arts Education
University Of Nigeria, Nsukka chiderajosephineogbobe@gmail.com
+2348164444229
*Correspondence author

Ụmịedemede

Omenaala bụ ihe ndị ji biri. Ndị Igbo nwere ọtụtụ omenaala nke ụfọdụ n'ime ha jikọrọ Igbo niile ọnụ, ebe ụfọdụ bụ nke mba dị iche iche n'ala Igbo na-eme dị ka nke aka mkpa. Ihe nke a pụtara bụ na o nwere omenaala ala Igbo niile na-emekọ ọnụ, nke pụtara na obodo ọbụla n'ala Igbo na-eme ya. E nwekwara nke ọ bụ naanị obodo ahụ na-eme ya nwere ya. Nke a bụ nke aka mkpa. Otu n'ime omenaala nke aka mkpa a bụ 'ịgwa nshị' bụ nke a na-eme n'Eke. E lebara anya n'omenala a ịmata ntọnaala ya na ka e si eme ya. E lebakwara anya n'ụdị nri a na-eri oge a na-eme mmemme a. N'ikpeazụ, ọchọcha tụlekọrịtara ka ịgwa nshỊ si dỊ n'agbaochie na ka o si dỊ n'agbaọhụụ. Iji wepụta ihe a gaagbado ụkwụ mee nchọcha, onye nchọcha lebara anya n'akwụkwọ ndị e degasịrị maka omenaala. Ọ gbakwara ndị mmadụ ụfọdụ ajụjụ ọnụ n'ihe gbasara ịgwa nshị n'Eke. Ndị ọ gbara ajụjụ ọnụ a bụ ndị okenye ihe gbasara ịgwa nshị doro anya.

Nchọpụta gosiri na ihe gbasara ịgwa nshị bidoro na mgbe ochie. A na-eme ya iji cheta mmeri ha merigasiri ndị iro gbara ha gburugburu. A chọpụtakwara na a tinyere ihe mgbanwe ụfọdụ n'usoro a na-agbaso eme ya na mbụ na ka e si eme ya ugbua.

Okwu ndị pụtakarịchara ihe: Ịgwa nshị, Omenaala, Egwu abịa, Mmemme, Agụ ọgwụ, na Ịwa ekwe nshị.

Mkpọlite

Ndị Igbo bụ ndị e ji omenaala dị iche iche mara. Ha so n'otu mba Africa jidesiri omenaala ha ike n'agbanyeghị ka omenaala ndị mba ụwa ndị ọzọ si na-awanye isi n'ebe ha nọ. Omenaala ndị a gụnyere iti mmọnwụ, iri ji ọhụụ, ichi ọzọ, ile ọmụgọ, na ọtụtụ ndịị ọzọ. Ude (2019) kwuru na mba dị iche iche n'ụwa dị ka Bekee, China, Asia, Germany, na mba ụwa ndị ọzọ nwere omenaala ha. Omenaala ndị ka e ji ama ha. Okoye (2016) kọwara omenaala dị ka ụzọ agbụrụ dị iche iche si akpa agwa ma na-ebi ndụ ha. Ogbonna (2015) kọwakwara na omenaala ndị metụtara ka ha si eme omume, ka ha si hụta ụwa, na ka ha si eche echiche. N'aka nke ya, Eze (2015) kọwara omenaala dị ka ụzọ ndị ọbụla si eme ihe n'usoro ebimụndụ n'agbụrụ ha ma ọ bụ n'obodo ha. Asụsụ Igbo so n'otu omenaala ndị Igbo jiri biri n'ihi na e kwuru na obodo ọbụla tufuru asụsụ ha etufuola ezigbo njirimara ha. Igbo so n'otu agbụrụ kacha dị ukwu na Naijiria. A ga-ahụ ha na steeti dị ka Anambra, Enugwu, Ebonyi, Abịa, Imo, Delta, Kogi, Rivers, na Benue. Ha bigasikwa n'ọtụtụ steeti bụ nke esoghi na steeti n**dị ana-agụnye na steeti ndị dị n'ala Igbo. Ọ dị mkpa ka a mata na ụfọdụ n'ime steeti ndị a ndị Igbo bi na ha abughị naanị ha bụ agbụrụ nọ na steeti ndị ahụ. O nwere agbụrụ ndị ọzọ ya na ha nwere oke dị ka na Benue, Kogi, Delta, na Rivers.

Ndị Igbo bụ ndị e ji ọrụ ugbo na ịzụ ahịa mara. Ihe a bụ aka ọrụ ha tupu ndị ọcha abịa. Ndị ọcha bịara weta agumakwụkwọ nke ndị Igbo titara isi

tinye n'ime ya n'ihi na ha bịara chọpụta uru dị n'ime ya. Ǫtụtụ ụmụ Igbo agụọla akwụkwọ nọrọ n'ogo ọkwa dị iche iche.

Ǫtụtụ omenaala Igbo efuola n'ihi mmekọrịta ha na ndị mba ọzọ, ma ha jisikwara ọtụtụ omenaala ha ike. O nwere omenaala ndị bụ ozuruigbo ọnụ, nwekwaa nke obodo ọbụla na-emere onwe ha, ọ bụrụ njirimara ha. Otu n'ime omenaala a nke obodo na-emere onwe ya bụ 'ịgwa nshị' nke ọ bụ ndị obodo Eke na-eme.

Eke dị n'okpuru ọchịchị Udi na Steeti Enugwu. Eke nwere ogbe ise, ọnụmara maọbụ mpaghara ise mebere ya. Ǫnụkọrọ maọbụ mpaghara ndị a bụ: Enugu-Eke, Amankwọ Eke, Ǫma, Ogui-Eke, Amọfia, na Ogwii Agụ-Eke. Eke nwere ọtụtụ omenaala dị ka: ịgwa nshị, ekeanị, akwalị, ọzọ, odo, w.d.g. Ịgwa nshị so n'otu emume nke kacha buo ibu n'ime ha. Ịgwa nshị bụ otu omenaala nke ndị Eke ejighị egwu egwu. O bidoro na gboo nke na o nweghị ndị dị ndụ ugbua nọ ndụ mgbe mmemme a ji malite. Akụkọ mmalite ya bụ nke si n'aka fere aka wee ruo anyị aka.

Akụkọ Mmalite Emume Ịgwa Nshị

Akụkọ ka emume a si bido dị n'ụdị na ụdị. Dị ka Maazị Leonard Ezeotugo si kọwaa, emume a bụ nke a malitere dị ka mmemme ọṅụ nke ndị Eke ji na-eme ncheta ka ha si merichaa ndị iro ha dị iche iche n'ọgụ ha busoro ha. Maazị Thaddeus Aniago kọwara na mmemme a malitere mgbe mba ndị gbara ndị Eke okrikiri na -ebuso ha agha. Ụfọdụ na mba ndị a bụ Abịrịba na Ebe. O kwuru na mgbe ọgụ ahụ na-aga n'ihu, ndị Eke zukọrọ buru ịgba na ngwa egwu dỊ iche iche nọkọọ ọnụ tiwe nke butere oke mkpọtụ. Nnukwu mkpọtụ a mere ndị iro ha jiri wara ọsọ. Bido ụbọchỊ ahụ gawa, ha jirizie egwu abịa naecheta ọnọdụ

Ịgwa Nshị

Ịgwa nshị aghọọla nnukwu mmemme n'Eke nke oriri ya na-ada ụda ma n'Eke ma n'ala Igbo niile. Ǫtụtụ mmadụ na-esi ebe dị iche iche na-abịa

esonye na mmemme ịgwa nshị ndị Eke. Ụfọdụ ndị a bụ ndị ọgọ, ndị nkiri, ndị ọyi, dgz. Oriri a nwere oge na ọnwa eji eme ya nke a na-akpọ ọnwa nshị. Tupu nke a eruo, o nwere onye ọ dị n'aka ga-ekwupụta na ọnwa ahụ eruola. Onye ahụ ga-akụ ekwe were gosi nke a bụ nke a na-akpọ ịwa ekwe nshị.' Bido ụbọchị ahụ a wara ekwe nshị, a ga-agụwazị izu na ụbọchị ole ga-agafe tupu mpaghara ọbụla emee mmemme nke ha. Ndị na-ebu ụzọ ebido mmemme a bụ mpaghara ndị Amankwọ. Ndị na-esota ha bụ Ogwii na Amọfịa tupu o rute Enugwu-Eke. Ndị na-eme mmemme ịgwa nshị ma Enugwu Eke mechaa bụ Ọma-Eke, ebe Ogui-Agụ naapiachizi isi ya.

Ịgwa nshỊ were akụkụ dị iche dị n'ime ya. Na mbụ, e nwere ihe a na-akpọ 'ije agụ ọgwụ.' Na nke a, a na-eme anwansi dị iche iche na-egosi irekwa ọgwụ. Ihe ndị a ga na-eme gaegosipụta etu ndị mgbe ochie si kpaa ike. Mmemme agụ ọgwụ a na-enye ndị mmadụ ezigbo obi ụtọ.

E mechaa agụ ọgwụ, a banyezie mmemme ịkụ ịgba maọbụ iti ịgba. Emume iti ịgba nwere ngalaba abụọ, -nke ndị okenye na nke ụmụaka. A na-ebu ụzọ eme iti ịgba ụmụaka tupu e mee nke ndị okenye. Na mbido iti ịgba ụmụaka, mmadụ niile, ọkachasị ụmụaka ga-ebu ịgba ha pụta n'ama bido tiwe ya. Ndị na-eti, ibe ha ana-anapụ. Ebe niile ana-ezegwo, na-ada jimjimjim. Mmadụ niile ga-esizi n'ama ahụ tiri ịgba bawa be ndị mmadụ n'otu n'otu. Onye erutere na be ya, a kụchaa ịgba, ọ papụtara ọha na eze isi akụ oyibo dị ka ụmụaka ụmụnwoke ole a mụrụ n'ezinụlọ ahụ si hara. A ga-egburi akụ oyibo ndị a, onye ọbụla ewere nke ya. Etu a ka a ga-eme gazuo be mmadụ niile.

A bịa n'ịgwa nshị nke ndị okenye, iti igba, na-agbasokwa usoro nke ụmụaka. A ga na-eje be ndị mmadụ n'otu n'otu na-eti ịgba. Naanị ihe dị iche bụ na kama a ga-ebutere ndị mmadụ akụ oyibo, e butere ha ọjị ma nyekwa ha ego.

Ka E Si Eti Egwu Abịa

N'egwu abịa nshị, onye ọbụla na-anyara abịa nke ya n'uko ubu na-akụ ya. Ndị ọzọ gaejikwa ịgba ha na-anapụrụ ya ha. Ndị na-akụ ekwe na-ano n'etiti ọgbọ, ebe ndị ma-akụ ịgba ga na-agba ha okirikiri n'usoro, na-agagharị na-eti ịgba ha. Ka nke a na-aga, onye ọja ga na-agagharịkwa na-etu ndị na-akụ ịgba na ndị na-akụ ekwe aha otutu ha. Ndị naeti ịgba ga na-agụkwa egwu na-adaba n'ịgba ha na-eti. N'egwu a, ha ga na-agụ ka ha si kpa ike ọgụ n'oge gara aga. Ndị nwaanyị ga na-agụkwa nke ha, na-eto obodo ha ka o si maa mma.

Iti abịa ndị okenye na-abụ ihe dị ka ụbọchị abụọ na uchichi abụọ tupu o mechie. Mpaghara ndị ọzọ ga-ewegharazi ọnọdụ. Mpaghara ahụ maọbụ mkpuru, maọbụ ọnụmkpu ga-ebidozi nke ha mee ya ka ndị ọzọ si mee.

Nri A Na-Eri Na Mmemme A

Oriri ndị Igbo ma-eri na-enwe ụdị nri a na-eri ma a na-eme ya. Na nke gbasara ịgwa nshị, ihe a na-erikari ma a na-eme ya bụ ọkpa a gwọrọ agwọ ka ji. Ugbua, ụfọdụ na-esizi osikapa maọbụ ụdị nri ọbụla na-amasị ha, wee merube ụbọchị. A na-esi ihe ndi a n'ụdị onye ọbụla ga-eriju afọ. A na-agba mbọ hụ na ndị niile biara emume ahụ dị ka ndị ọgọ, ụmụnne nọ na mba, ndị ọyi, na ndị ọzọ dị iche iche rijuru afọ nke ọma. Ọ bụ nri a ka ọ na-abụ erichaa, onye ọbụla ejiri ọṅụ pụọ n'ama oge mgbede ebe a ga-eti abịa.

Ka Mmemme Ịgwa Nshị Si Dị Ugbua

Dị ka e si mara n'ihe banyere omenaala, ọ bụ ọ na-aga, obere mgbanwe ana-abata n'ime ya. N'oge gboo, ọ na-abụ onye na-awa ekwe nshị kanye ya, a naghị agbanwe ya, ọ bụladi ma ọ danye n'etiti izu ụka mgbe ndị mmadụ ji aga ọrụ. Ma ugbua, ọnọkọrọ maọbụ mpaghara ọbụla na-akanyezi oge ha ga-eme emume a mgbe ọ ga-adabara ha. A na-etinyekarỊ ya na Satọde na ụbọchỊ ụka mgbe a ma na igwe mmadụ anaghị eje ọrụ bekee maọbụ nke obodo.

Ihe ọzọ pụtakwara ihe ka e si eme emume ahụ ugbua bụ na ọtụtụ mmadụ na-esizi ebe dị iche iche abịa ya karịa ka o si dị na mbụ. Ndị na-azụ ahịa na-ejizi ohere ịgwa nshị bawanye ahịa ha ma nwekwaa ego. Ahịa na ọtụtụ ebe a na-ere ihe ga na-asọ pimpim. Ndị mmadụ a na-aṅụ mmanya, na-eri ihe, na-ata anụ, egwu abịa ana-ada. Ọ bụ otua ka a ga-emegide ganye na a gwachaa nshị nke afọ ahụ.

Ihe ọzọ pụtakwara ihe na ịgwa nshị ugbua bụ na a bịa n'oge gboo, mmadụ enweghị ike nọkata kụọ egwu abịa na-abụghị n 'oge ịgwa nshị. Ma ugbua, a na-enwezi ike ịkụ egwu ya oge ọbụla onye maọbụ ndị chọrọ. Ihe dịzị iche bụ na obodo niile agaghị agbakọ mee ya ka nke mmadụ niile

Mmechi

Ịgwa nshị bụ nnukwu emume ndị Eke ji echeta ọgụ ha nụgasịrị n'oge gboo ma nwee mmeri na ha. Ọ ghọọla nnukwu emume e ji ama atụ nke a na-eme afọ niile. Emume a na-adọkọta ọtụtụ mmadụ nọ na nnukwu ọkwa dị iche iche na ndị nwere agba n'ala Igbo ma gafee ala Igbo. Mmemme a na-atọ ndị okenye ụtọ, na-atọkwa ụmụaka ụtọ. Ndị agbataobi ji ya mara ndị Eke ma soro ha na-enwe ọṅụ n'ime ya. E ji mmemme a egosi ezi mmekọrịta na ịdị n'otu. Ndị egwu ogene na ndị ọzọ na-akụ egwu dị iche iche n'ala Igbo ejirila ụda egwu abịa ịgwa nshị Eke mere akụkụ ụda egwu ha ụfọdụ nke na a bịa mmemme, eve niile na-enwuru ọkụ ozigbo a malitere ịkụ ya.

Edensibịa

Leonard Eze of Enugwu-Eke, Eke. Interviewed 17-09-2015
Eze, Leonard of Enugwu Eke. Interviewed 17-09-2015
Ogbonna, Anthony of Mgbagbu Ọwa. Retrieved 14-03-2015
Thaddeus Aniago of Enugwu-Eke, Eke. Interviewed 16-03-2014
Ude, F.U. (2019). Ụdịdị na ọrụ odomagana n'okpuru ọchịchị Udi, Steeti Enugwu. Nsukka Journal of Humanities. 27(2) 15-28.